African Journal of Politics and Administrative Studies (AJPAS)
16(2) (December, 2023)847-859
Available online at https://www.ajpasebsu.org.ng/
https://dx.doi.org/10.4314/ajpas.v16i2.44 p-ISSN: 2787-0367;e-ISSN: 2787-0359
Copy Right: © Author (s)

# Ọrụ Agụmagụ Ọnụ Nye Nkuzi Na Nkwalite Obibi Ndụ Ndị Igbo

**Nwaoke, Emmanuel Emeka[1], EzeAdaora Maudline&Nwaoke, Queendaline Chinwendu[3]**

[1]Department of Nigerian Languages, National Institute for Nigerian Languages (NINLAN), Aba, Abia State, Nigeria

[2]Ngalaba Asụsụ na Lingwistiks, Mahadum Steeti Ebọnyị, Abakaliki, Nigeria

[3]Department of Igbo Language, Girls' Technical College, Agba, Ebonyi State, Nigeria

***Corresponding Author's E-mail***: nwaokebest@gmail.com

## Ụmi

Nchọcha a lebara anya na ọrụ agụmagụọnụ nye nkuzi na nkwalite obibi ndụndị Igbo. Mbunuche nchọcha a bụ ịkọwapụta agụmagụ ọnụ dị ka ụzọ e si akụzi ma na-akwalite usoro obibi ndụ ndị Igbo. Agụmagụ ọnụ Igbo bụ nke obodo na-enwekodo ọnụ n'ihi na o nweghi onye a ma dị ka onye nwe nke ọ bụla kpọmkwem. Ọ bụ ọnọdụ a mere o ji adị mfe inweta nkwugharị otu akụkọ n'ọnụmara dị iche iche n'ala Igbo.Nchọcha a bụ nke ndịzima; nchọcha seere ma tụchaa njatụle e ji mee nchọcha a site na nleru anya nakwa n'ịtụle ihe nchọcha ndịọzọ merela banyere isi okwu a. A na-esite n'emereme ọdịnala wube agụmagụ ọnụ; ọ bụ nke a mere e ji akpọkwa ya agụmagụ ọdịnala.Ọzọ, tupu ọbịbịa mbịarachịwa, e nwere agụmagụ Igbo nke e detughi edetu. Agụmagụ ọdịnala Igbo na-esite n'emereme akụzi nkwanye ugwu, mmekọrịta, onye aghana nwanne ya, nkwalite ndụ, na nkwalite udo na ọdịmma ezinaụlọ nakwa nke obodo. A chọpụtara na ọ dị mkpa iji agụmagụ ọnụ kuziere ndị mmadụ nkwenye, omenala na ụkpụrụ ndị na-akwalite ezi mmekọrịta na obibindụ n'ala Igbo. Ọzọ, agụmagụ ugbu a nke a na-ezipụta n'ụdị ederede bụ nke na-enweta ike ekereuche ya site n'akụkọ ọdịnala. E kwesiri ichekwaba agụmagụ ọdịnala n'ụdị ederede, na/ma ọ bụ okwu (ma ọ bụ onyonyo) a dọọrọ adọrọ. Mgbe e mere nke a, ha ga-abụ ụzọ mkpali mmụọ nye ụmụaka ịmata ụfọdụ ihe merela tupu a mụọ ha ma marakwa ihe nkuzi, ihe nrite na ntaram ahụhụ na-eso omume ụfọdụ. Ndị na-ahụ maka agụmakwụkwọ/mmụta nke ụdị kwesikwara itinye nke a na kurikulum.

**Ọkpụrụkpụ okwu:** agụmagụ, ọdịnala, nkụzi, nkwalite, ndụ, Igbo

**Citation of article**:**Nwaoke, E. E., Eze,A.M.&Nwaoke, Q. C.(2023)**.Ọrụ Agụmagụ Ọnụ Nye Nkuzi Na Nkwalite Obibi Ndụ Ndị Igbo,*African Journal of Politics and Administrative Studies AJPAS,* 16(2):**Date Submitted**: 03/09/2023**Date Accepted:** 26/08/2023**Date Published**: December, 2023

African Journal of Politics and Administrative Studies (AJPAS) Copy Right: © Author (s)
16(2) (December, 2023)847-859
Available online at https://www.ajpasebsu.org.ng/
https://dx.doi.org/10.4314/ajpas.v16i2.44 p-ISSN: 2787-0367;e-ISSN: 2787-0359

**Abstract**

This research focuses on the role of oral literature in the education and promotion of the Igbo way of life. The purpose of this study is to elucidate oral literature as a method of teaching and promoting the lifestyle of the Igbo people. Igbo oral literature is a communal property, as it does not belong to any specific individual. This communal nature facilitates the widespread sharing of stories across different Igbo communities. This study employs qualitative research methods, relying on observation and the review of previous research on this topic. Oral literature is rooted in cultural practices, which is why it is also referred to as traditional literature. Additionally, before the advent of writing, there existed Igbo literature that was not documented. Igbo traditional literature teaches respect, relationships, brotherhood, the promotion of life, peace, and the well-being of both families and the community. It has been found that using oral literature to teach people values, traditions, and principles that promote good relationships and lifestyles in Igbo land is essential. Furthermore, contemporary literature, now documented in written form, derives its essence from traditional stories. It is important to preserve traditional literature in written or audio-visual forms. By doing so, it can serve as an inspirational tool for children, helping them learn about past events before their birth and understand the lessons, rewards, and punishments associated with certain behaviors. Educational authorities should incorporate this into the curriculum.

Keywords: literature, tradition, teaching, promotion, life, Igbo.

**Mkpọlite**

E meela ụfọdụ nchọcha banyere agụmagụ ọnụ na agụmagụ ederede Igbo mana e nwebeghi nchọcha pụtara ihe e merela banyere ụzọ e si eji agụmagụ ọnụ akụzi ma na-akwalite obibi ndụ ndị Igbo. Mgbe ọ bụla e kwuru banyere ndụ ndị Igbo, ihe a na-akpatụgasị aka buru ibu maka na ọ bụ ndụ bụ isi ihe niile. Ya mere ndụ n'isiokwu a ji metụta ọtụtụ ihe dị ka nkwenye, asụsụ, agụmagụ na omenala Igbo n'agbanyeghi na ihe ndị a niile na-adabere nke ukwu na omenala. Ọ bụ ya mere Ikeokwu (2021, p. 3) ji sị na "omenala ọ bụla na mba ọ bụla nwere agụmagụ ya". Nchọcha a bụ nke gbadoro ụkwụ n'ọrụ agụmagụ ọnụ na-arụ nye mmụta na nkwalite nkwenye, omenala na ụkpụrụ ndị Igbo. Ya mere, usoro nkuzi na mmụta a na-agbaso akụzi banyere ngalaba amụmamụ Igbo ndị a na-akọwa na nchọcha a, ji bụrụ nke mpụnụụdị n'agbanyeghi na e nwekwara ebe a rụtụgasịrị aka na nke ụdị.

African Journal of Politics and Administrative Studies (AJPAS) Copy Right: © Author (s)
16(2) (December, 2023)847-859
Available online at https://www.ajpasebsu.org.ng/
https://dx.doi.org/10.4314/ajpas.v16i2.44 p-ISSN: 2787-0367;e-ISSN: 2787-0359

Agụmagụ ọnụ na-emetụta ọtụtụ ihe n'asụsụ, agụmagụ, omenala, nkwenye, ụkpụrụ na nsịrịhụ ndị Igbo mana a na-ahụtakarị ya kpọmkwem dị ka agụmagụ n'ihi na ọ na-ehido isi nke ukwuu n'ụzọ a gbasoro mee, wube ma ọ bụ kọwaa ihe n'agbanyeghi na ihe e mere, nke e wubere na nke a kọwara dịkwa mkpa. Ya mere nchọcha a, ji kọwaa nke ọma usoro a na-agbaso n'iji agụmagụ ọnụ akụzi ụfọdụ ihe ndị dị mkpa na ndụ ndị Igbo. Kimani (2010) sị na agụmagụ ọnụ bara nnukwu uru n'ihi na ọ na-enyere mmadụ aka ịghọta onwe ya, obodo ya, na ihe ndị ọzọ metụtara ya. Ọ bụ otu ụzọ e si akwalite mmekọrịta n'etiti mmadụ na ibe ya nakwa ihe ndị ọzọ a na-ahụta na agbata mmadụ/obodo na ibe ya. Ọ gara n'ihu kwuo na agụmagụ ọnụ bụkwa otu n'ime ụzọ ndị e si ezipụta ma na-akụzi ụkpụrụ, omume na usoro omenala dị iche iche site na ndụ gaa ndụ.

Nnyigide (2017) n'akụkụ nke ya sị na a na-esite n'agụmagụ ọnụ amụta omenala na nkwenye ndị Igbo nke mere agụmagụ ọdịnala ji bụrụ otu n'ime ihe ndị dị mkpa na ndụ onye Igbo ọ bụla. Ọ bụ nke kpatara na onye ọ bụla bụ onye Igbo ma ihe ọ na-eme ji abụ onye a na-esite n'omenala na nkwenye ndị a wube ndụ ya ma sitekwa n'otu ụzọ ahụ zụlite ya n'ogbe/obodo ebe omenala, nkwenye, nsirihụ, nka amụma ihe ndị ahụ na-abara ya uru ọkpụ tọrọ ọkpụ nye mmekọrịta ya na ndị mmadụ maka ọdịmma ya nakwa nke obodo.

## Usoro Nchọcha

Nchọcha a bụ nke ndịzima; ọchọcha seere ma tụchaa njatụle e ji mee nchọcha a site na nleru anya nakwa n'ịtụle ihe ndịọzọ merela banyere isi okwu a. Ọ bụ agụmagụọnụ Igbo ka o leruru anya nke ọma ma tụlekwa ihe ndịọzọ derela banyere ya ma zipụta ha n'ụdị ọ ga-adị mfe nghọta. Ọ dịịrị ọchọcha mfe ime nke a n'ihi naọbụ nwa afọ Ẹzaa-Igbo ma bụrụkwa onye ma asụsụ na omenala Igbo.

## Atụtụ Nchọcha a Gbasoro

Atụtụ nchọcha a gbasoro bụ atụtụ ngụgọ nke onye tụpụtara ya bụ Abrams (2005). Mbah na Mbah (2014) kọwara na atụtụ a na-akọwa na mgbe a na-enyocha agụmagụ, a ga-atule ihe mgbado ụkwụ nkwenye dị iche iche na etu nkwenye ndị a si pụta ihe nay a bụ agụmagụ. Nnyigige (2014) n'ime Mbah na Mbah (2014)kọwara na atụtụ a dị mkpa n'ịkọwa nkọmịrịkọ dị iche iche. Atụtụ a na-atụ aro na nkwenye omenala dị n'ọkpụ na-esepụta isi kwa mgbe kwa mgbe

African Journal of Politics and Administrative Studies (AJPAS) Copy Right: © Author (s)
16(2) (December, 2023)847-859
Available online at https://www.ajpasebsu.org.ng/
https://dx.doi.org/10.4314/ajpas.v16i2.44 p-ISSN: 2787-0367;e-ISSN: 2787-0359

n'ihe ode akụkọ na-ede. Atụtụ a na-ewepụta mgba ama ọkpụ dị iche iche na etu ha si apụta ihe n'agụmagụ. Nnyigige (2014) gụpụtara ụfọdụ n'ime ha dị ka usoro akụkọ, ụdịdị emereme,ụdịdị agwa,isi okwu nhụrụ na ụche na motif dị iche iche. Atụtụ a kwenere na akụkọ anaghị ese n'elu efu na ọ ga-enwe ihe kpatarama na-enye akparamagwa nkọwa miri emi. O bụ iwepụta ihe ndị a dị iche iche, kọwaa ntọala ha n'akụkọ nye ihe na-emen'obodo ka atụtụ a ji baa nnukwu uru.

**Agụmagụ Na Agụmagụ Ọnụ**

Mgbe ọ bụla e kwuru banyere agụmagụ, ihe na-agbatakarị ndị mmadụ n'uche bụ ihe e dere ede na/ma ọ bụ ọrụ nka dị iche iche ọ kachasị ndị e siri n'ekereuche mmadụ wube. Agụmagụ nwere ike ịbụ agụmagụ ọnụ (nke a makwa dị ka agụmagụ ọdịnala) na agụmagụ ederede (a na-akpọkwa ya agụmagụ ugbu a). Agụmagụ ọdịnaala bụ bụ ụdị agụmagụ ndị ahụ e ji ọnụ ezipụta dị ka akụkọ, abụ, akụkọ na egwu nakwa ndị na-apụta ihe n'ụdị egwuregwu ọdịnala. A na-echekwaba ụdị agụmagụ a site n'isi n'otu ọgbọ nyefe ya n'aka ọgbọ ọzọ n'ụdị ekwurunọnụ ma ọ bụ emereme dị iche iche.Agụmagụ ederede, n'aka nke ọzọ bụ nke a na-ede n'ihe ogugu dị iche iche dị ka akwụkwọ ma site n'ụzọ ndị ahụ chekwaba ya. Ha nwekwara ike ịpụta n'ụdị emereme nke e ji ndọrọ onyonyo dọrọ maka nkiri mgbe ọ sọrọ onye.

Obiweluozo (2011) kọwara agụmagụ ọnụ dị ka alaka agụmagụ nke a na-esite n'emereme ọdịnala wube. Ọ gara n'ihu kwuo na ọ bụ ndị n'amaghị ede ma ọ bụ agụ bụ ndị na-ewube agụmagụ ọdịnala nke mere o ji adị mfe isite n'otu ọgbọ nyefe ya n'aka ọgbọ ọzọ n'ụdị ekwurunọnụ. Nkọwa ya gara n'ihu mee ka a mata na ọ bụ nka ekereuche ka ndị mwube ụdị agụmagụ a na-agbaso ewube ya n'agbanyeghi na ha enweghi ohere agụmakwụkwọ. Na nkwado nke a, Mbunda (2006) kọwara agụmagụ ọnụ dị ka nka ekwurekwu nke ndị amaghị ka e si ede ma ọ bụ agụ wubere site n'ịchịkọta echiche emereme ma ọ bụ ahụmihe ihe ndị mere n'obodo; o kwukwara na a na-ewube ụdị agụmagụ a maka ngere na nkiri ndị gbakọrọ n'obodo nke a na-esite n'aka otu ọgbọ nyefe n'aka ndị na-eso ha n'ụdị ekwurunọnụ. Nkọwa ha gosiri naihe mere e ji akpọ ụdị agụmagụ a agụmagụ ọnụ ma ọ bụ nke ọdịnala bụ maka na a na-esite n'emereme ọdịnala dị iche iche họrọ ihe ndị a na-ewube ma na-echekwaba ma ọ bụ enyefe ha site n'ekwurunọnụ.

Nwadike (1992) sịrị na agụmagụ Igbo malitere na mbụ n'ụdị agụmagụ ọnụ ruo mgbe ndị Igbo malitere mụba ka e si ede ihe. Nke a mere e ji esi n'otu ọgbọ nyefe ya ọgbọ ọzọ site n'ọnụ.

African Journal of Politics and Administrative Studies (AJPAS) Copy Right: © Author (s)
16(2) (December, 2023)847-859
Available online at https://www.ajpasebsu.org.ng/
https://dx.doi.org/10.4314/ajpas.v16i2.44 p-ISSN: 2787-0367;e-ISSN: 2787-0359

Ọ gara n'ihu kwuo na agụmagụ ọnụ Igbo gụnyere akụkọ ifo, nkọmịrịkọ, nkọkịrịkọ na ndị ọzọ. Nke a kwadoro ihe ọchọcha derela na mbụ n'agụmagụ ọnụ Igbo bụ nke a na-esite n'ekwurunọnụ enyefe ọgbọ ọzọ. Ihe ọzọ dị mkpa Nwadike (1992) kwuru bụ naagụmagụ ọnụ Igbo bụ nke obodo na-enwekodo ọnụ n'ihi na o nweghi onye a ma ma ọ bụ a na-asị kpọmkwem na ọ bụ ya nwe agụmagụ ahụ nke mere o ji adị mfe inweta mmeghari ma ọ bụ nkwughari otu akụkọ n'ọnụmara dị iche iche. Nke a na-emekwa ka ụfọdụ tinye nkwughari/mmeghari ha nnu na ose n'enweghi onye ga-ajụ ha ase banyere nke ahụ.

Na nkwado, Thwala (2019) sịrị na agụmagụ ọnụ bụ nke ọha obodo nwekọrọdoro ọnụ ma na-emekọtakwa ọnụ n'ihi na ọ na-enwe onye omee na ndị nkiri/nsonye. Mgbe a na-ezipụta emere agụmagụ ọnụ, ndị nkiri na-esonyekwa n'ihe a na-eme. Nke a bụ ezi okwu n'ihi na ebe ọ bụla a na-ezipụta ma ọ bụ eme agụmagụ ọnụ Igbo (akụkọ, egwu/ejije ma ọ bụ abụ) ndị na-esonye nwere ụzọ dị iche iche ha si atyụnye oke ha. O nwere ike ịbụ n'ụdị ịkụ aka, ime uzere, ma ọ bụ ikwe ma ọ bụ ikweghari ekwurunọnụ ụfọdụ so agụmagụ e zipụtara. Agụmagụ bụ enyo e ji ahụ ndị mmadụ na ndụ ha; ọ bụ ezi okwu na ihe ndị a na-ahụkari n'agụmagụ bụ ndị e sitere n'ekere uche mmadụ wube mana ọ dị mkpa na e lebara agụmagụ ọnụ anya nke ọma n'ihi na mgbe ọ bụla a na-atụle enyo uche n'agụmagụ, ọ bụkwụazị ihe pụrụ ime ma ọ bụ ụdị ihe ndị na-eme na ndụ ka a na-atụle. Ọ bụ nke a mere Onyekaonwu (1986) ji kọwaa agụmagụ ọnụ dị ka nchịkọta amamihe na akụkọ ọdịnala Igbo nke a haziri n'ụdị inyefe n'aka ndị na-eto eto site n'ekwurunọnụ n'agbanweghi echiche na emereme ndị dị na ya. Clarke (1979) sị na agụmagụ ọnụ bụ ụdị agụmagụ mbụ e nwere nke na-apụta ihe oge gboo n'ụdị akụkọ dike ma ọ bụ abụ dike nke ndị nwere nka mwube akụkọ ma ọ bụ abụ na-agụ ma ọ bụ akọ n'ihu ndị nkiri. Ka o sila dị, a ga-atụle agụmagụ ọnụ dị ka ngwa nkuzi na mmụta n'ala Igbo.

**Agụmagụ Ọnụ dị ka NgwaNkuzi Na Mmụta**

Na nkeji a, ọchọcha gbara mbọ ịtụchapụta ihe ndị ọzọ mere ma ọ bụ nke ha kwuru banyere agụmagụ ọnụ dị ka ngwa nkuzi na mmụta. Ganyi (2014) kọwara mmụta dị ka otu emereme nke na-adabere na mmekọrịta mmadụ na ibe ya nke a na-akwalite site n'ederede ma ọ bụ ekwurunọnụ. Ọ gara n'ihu kwuo na ịmụta alaka omenala dị iche iche n'obodo dị iche iche na mba ụwa na-adabekari na nzikọrịta ozi ekwurekwu karịa na nke ederede n'ihi na agụgụala na

African Journal of Politics and Administrative Studies (AJPAS) Copy Right: © Author (s)
16(2) (December, 2023)847-859
Available online at https://www.ajpasebsu.org.ng/
https://dx.doi.org/10.4314/ajpas.v16i2.44 p-ISSN: 2787-0367;e-ISSN: 2787-0359

ọmụma ihe dị iche iche na-adabere nke ukwuu n'ụbụrụ, mbikọrịta ndụ, ọdịnala na nkọmịrịkọ dị iche iche a kọrọla banyere obodo na ndị nwe ya.

Ngara (2017) n'akụkụ nke ya sị na ọ bụrụ na ejikọghị omenala/ụkpụrụ obodo ọ bụla na usoro mmekọrịta/nzikọrịta ozi ha ọnụ, ihe ọ pụtara bụ na ụkpụrụ na omenala ndị ahụ abụrụla ndị ekpochapụrụ ekpochapụ ma sikwa n'ụzọ ahụ wezuga ọganihu ụkpụrụ na omenala ndị ahụ kwesiri iweta. Nke a bụ maka na alaka agụmagụ ọnụ niile bụ ndị a na-esite n'ekwurunọnụ na emereme dị iche iche ndị sitere n'aka otu ọgbọ nyefe n'aka ọgbọ ọzọ ndụ gaa ndụ. Mgbe a na-eme nke a, ụkpụrụ na omenala ndị ahụ a na-akụziri ndị na-etolite etolite n'esite n'ụzọ ahụ ruo ndị a na-akụziri ha aka. Nke a na-egosi na ọ dị mkpa na ndị Igbo ghọtara na otu ụzọ ha ga-esi kpọghachite ụkpụrụ na omenala ha ndị na-anwụzị anwụ bụ site na nkuzi agụmagụ ọnụ nke e nwere ike ime ka ọ pụta ihe n'amụmamụ nkendị site n'ịgbaso usoro dị mma webata ya na kurikulum ụmụ akwụkwọ.

Owuor (2007) kwadokwara nke a mgbe o dere na usoro nkuzi agụmagụ ọnụ bụ nke e kwesiri ịhazịgharị n'ụdị ọ ga-apụta ihe n'usoro nkuzi na kurikulum ndị Kenya. Ọ sịrị na e mee nke a, ọ ga-enye aka wepụta ọtụtụ ụzọ e si ezipụta echiche ọhụrụ, nkwalite mmekọrịta mmadụ na ibe ya nakwa ụzọ a ga-esi nwoghaa omenala ụfọdụ ndị e zobere n'ọdịnala obodo dị iche iche. Nke a pụtara na ndị na-ahụ maka mmụta nyomie anya etu o kwesịrị, usoro nkuzi sitere agụmagụ ọnụ ga-enye aka na nkwalite obibi ndụ ndị Igbo.

Usoro ọmụmụ ihe ka ọ dị n'ụwa taa dị ụzọ abụọ: nke ụdị na nke mpụnụdị. Nke ụdị bụ nke a na-eme n'ogige ebe ndị ọmụmụ na-akwado onwe ha hapụ nne na nna ha gakwuru ndị ọ bụ ọrụ ha ikuziri ha ihe. A na-ahụta ụdị a n'ụlọ akwụkwọ dị iche iche. Nke mpụnụdị n'aka nke ọzọ bụ nke a na-eme n'enweghi nkwado pụrụ iche e mere banyere ya.Ọ bụ ụdị nkuzi mmadụ nwere ike ịmụta n'ezinaụlọ ya ma ọ bụ n'agbataobi ya n'aka onye/ndị ọzọ ndị anaghị ahụta ka ndị nkuzi ma ọ bụ nwee ụgwọ pụrụ iche a na-akwụ ha maka ụdị nkuzi ha nyere nwata.

E lebaa anya n'agụmagụ ọnụ Igbo na usoro nkuzi ya, a ga-achọpụta na usoro nkuzi ya bụ nke mpụnụdị n'agbanyeghi na ọ bụ emereme nke na-akpọkọta ụmụ aka ọnụ n'oge anyasị ọ kachasị mgbe ọnwa na-eti. Ọ bụ ụdị mkpokota a ọ na-ekpokota ụmụaka n'ezinaụlọ ma ọ bụ n'obodo mere Samson-Akpan (1986, p. 67) ji sị na ụdị mbịakọta ọnụ a na-abịakọta mgbe a na-

African Journal of Politics and Administrative Studies (AJPAS) Copy Right: © Author (s)
16(2) (December, 2023)847-859
Available online at https://www.ajpasebsu.org.ng/
https://dx.doi.org/10.4314/ajpas.v16i2.44 p-ISSN: 2787-0367;e-ISSN: 2787-0359

ezi agụmagụ ọnụ ọ bụla (ọ kachasị ifo) bụ nke a pụrụ ịtụnyere ọnọdụ a na-ahụ na klasị n'ihi na ụmụaka, ndị ntoroọbịa na ndị okenye na-apụta ma sonye mgbe a na-ezi ya.

Mmadụ ọ bụla isi zuru oke na-enwe mmasị ịmụta ihe ọhụrụ ga-abara ya uru ọ kachasị isonye n'ụdị mmụta nke na-apụta ihe n'ụdị mkpoli ndụ dị ka agụmagọ ọnụ Igbo si dị nakwa usoro ọ na-agbaso akuzi ihe dị iche iche banyere omenala na nkwenye ndị Igbo. Fafunwa (1974) chọpụtara na nkuzi ọdịnala mba Afrịka (nke ala Igbo bụ otu n'ime ha) bụ nke gbadoro ụkwụ n'ọtụtụ ihe nke mbunuche ya bụ izụpụta ụmụaka na-ekwu ezi okwu, nwee ezi agwa, nkwanye ugwu ma nwekwa nka dị iche iche ndị ga-enyere ha aka ịba uru n'obodo n'ọdịnihu maka ọdịmma ha nakwa nke obodo.

Obi (2006) hụtara agụmagụ ọnụ dị ka ụzọ e si akụzi nkụzi ndịnụdị/iwu obodo tupu ọbịbịa ndị ọcha. Ọ sịkwa na ọ bụkwa otu ụzọ ndị mmadụ si enweta ntụrụndụ n'ihi na a rụchaa ọrụ bata, a na-agbakọ ma were akụkọ ọdịnala dị iche iche kutuo ume ezumike. Nke a kwadoro nkwenye Obiechina (1990) mgbe ọ sịrị na agụmagụ ọnụ na-enye ndị obodo ohere isonye n'ihe a na-eme n'obodo ha etu o kwesiri. Ọ bụ ndịnụdị ya na-eduzi ndị bi n'obodo ma mee ka ha na-akpa agwa ma ọ bụ na-eme ụfọdụ ihe site n'ịgbaso ụkpụrụ a na-abatara n'obodo ahụ.

Egudu (1978), na nkwado, sịrị na ndị mmadụ na-esite n'emereme ezipụtara n'agụmagụ ọnụ mụta mmekọrịta mmadụ na ibe ya ndị na-abara ha uru n'obodo nakwa na mba ụwa dum. Onyekaonwu (1986) n'aka nke ya sịrị na e nwere ụzọ akụkọ atọ ndị kacha pụta ihe n'akụkọ agụmagụ ọnụ Igbo: akụkọ ifo, nkọmịrịkọ na nkọkịrịkọ. Ọ gara n'ihu kwuo na nke kacha apụta ihe n'ime ha bụ akụkọ ifo n'ihi na ọ bụ ya ka ndị mmadụ kacha eji ekwupụta mbunuche ha. Obiechina (1967) sịrị na akụkọ ọdịnala a na-akọ n'ogbe/obodo na alaka agụmagụ ọdịnala dị iche iche ndị ọzọ a na-ahụta n'ọtụtụ ebe n'ụdị dị iche iche bụcha ụzọ doro anya e si akụziri ma na-amanye ndị na-eto eto ịmụta ụfọdụ agwa a tụrụ anya n'aka ha imepụta n'omume. Ọ bụ nke a mere e ji enwekarị ajụjụ banyere ihe mmụta sitere n'akụkọ ọdịnala mgbe ọ bụla a gbakọrọ maka mkparịta ụka ma ọ bụ nkọrịta akụkọ ọdịnala. Akụkọ ndị a gụnyere akụkọ ifo, nkọkịrịkọ, nkọmịrịkọ, ilu, gwam gwam na oyiri ha ndị ọzọ.

Nke a na-egosi na agụmagụ ọnụ na-esite n'emereme ọdịnala wube agụmagụ. Ọzọ, tupu ọbịbịa mbịarachịwa, e nwere agụmagụ Igbo nke e deghi ede. Emereme ọdịnala Igbo na-akụzi

African Journal of Politics and Administrative Studies (AJPAS) Copy Right: © Author (s)
16(2) (December, 2023)847-859
Available online at https://www.ajpasebsu.org.ng/
https://dx.doi.org/10.4314/ajpas.v16i2.44 p-ISSN: 2787-0367;e-ISSN: 2787-0359

nkwanye ugwu, mmekọrịta, onye aghana nwanne ya nkwalite ndụ, ezinaụlọ na obodo. Sone (2018) sịrị na obodo dị iche iche na mba Afrịka nwere usoro mmụta mpụnụdị nke bụ ụzọ ha si akụzi ma na-amụta ụfọdụ ihe banyere omenala, nkwenye na nsịrịhụ ha nakwa ihe ndị ọzọ na-akwalite obibi ndụ; a na-eme nke a site n'inye ụmụaka ohere ịmụta ihe n'aka ndị okenye site na nkiri, nleru anya na isonye n'ihe a na-eme n'obodo. Mana a bịa n'ụwa taa, ọtụtụ mmadụ ahapụla ụkpụrụ dị mma, ndị omenala na nkwenye Igbo nabatara, soro nke anya hụrụ gbaa mmee. Ya mere o ji dị mma iji agụmagụ ọnụ kuziere ndị mmadụ nkwenye, omenala na ụkpụrụ ndị na-akwalite ezi mmekọrịta na obibindụ n'ala Igbo.

Ọ dị mkpa iji agụmagụ ọnụ mee nke a n'ihi na agụmagụ ọnụ, dị ka akụkọ ifo, nkọmịrịkọ na nkọkịrịkọ, bụ ụzọ kacha mma e si akụzi, amụta, ma na-akwalite ịhụnaanya, nrubeisi, ịchịba ụkwa/iwube ntụkwasị obi, ekele, ịgba mbo, abụm odogwu na ịkwụwa aka ọtọ. Agwa ndị gbara elu n'akụkọ ndị na-abụ ndị a na-ezipụta uru ezi agwa ha kpara ma ọ bụ ntaram ahụhụ sochiri agwa ọjọ ha. Ọzọ dị ka ibe ya bụ na mbunuche ọgbakọ ọmụmụ ọ bụla (nke ụdị ma ọ bụ nke mpụnụdị) bụ ịkwado ụmụaka maka ọdịmma ha, nke ezinaụlọ nakwa nke obodo ha. Nwata ọ bụla nwetara ezi ọzụzụ ma tinye ya n'omume ga-abarịrị uru ma tụnye oke nke ya maka ọdịmma ezinaụlọ na obodo ya. Agụmagụ ọnụ Igbo bụ ụzọ dị mma a pụrụ isi ma kụziere nwata ihe maka ọdịnihu. A pụrụ ime nke a site n'ịgbaso usoro nkuzi na ọmụmụ nke ụdị ma ọ bụ nke mpụnụdị n'ihi na inye ụmụaka ohere a ga-eme ka ha mata ihe obodo chọrọ n'aka ha.

**Ntụnyeoke Agụmagụ Ọnụ Nye Mmụta Na Nkwalite Obibi Ndụ Ndị Igbo**

Obiweluozo (2014) kwenyere na agụmagụ ọnụ na-ezipụta echiche okwuu n'ụdị dị mfe ma na-emetụta mmụọ nke mere na ụmụaka na-aghọta ihe a na-ekwu nke ọma. Ọ gara n'ihu kwuo na e nwere ụdị akụkọ agbụrụ dị iche iche ndị gụnyere akụkọ ifo, nkọmịrịkọ, nkọkịrịkọ, akụkọ ọdịnala, nkwenye ụgha na nkwenye agbụrụ. Ka ọ dị, ọchọcha agbadoro ụkwụ naanị na akụkọ ifo, nke nkọmịrịkọ na nkọkịrịkọ mee nchọcha a.

**AkụkọIfo**

Akụkọ ifo bụ akụkọ a rọrọ arọ nke agbụrụ ma ọ bụ ọnụmara dị iche iche n'obodo na-akọrịta iji kpolie ndụ ma ọ bụ mụta ihe. Ọtụtụ mgbe, akụkọ ndị a na-abụ ndị a na-esite na nka

ekere uche mmadụ wube ma site n'otu ọgbọ nyefe ya n'aka ọgbọ ọzọ site n'ekwurunọnụ. Mbunda (2006) kọwara akụkọifo dị ka ụgbọ e ji ebugara, akwalite ma na-akụziri ụmụaka omenala obodo ha n'ụdị inye ha ohere mkporindụ. Nwaozuzu (2007) sịrị na ọ bụ akụkọ ifo bụ alaka agụmagụ ọnụ nke kacha apụta ihe ma bụrụkwa nke a kacha mara ama n'asụsụ na omenala dị iche iche na mba ụwa. Thwala (2019) n'aka nke ọzọ kọwara na e nwere ụzọ e si amalite nakwa ụzọ e si akwụsị akụkọ ifo.

A bịa n'asụsụ Igbo, ndị Igbo na-eji ọtụtụ ihe amalite akụkọ ifo dị ka: (Ọkọ akụkọ ga-asị) O nwere otu mgbe – (Ndị nsonye azaa) Otu mgbe were ruo; (Ọkọ akụkọ) Chakpịị - (Ndị nsonye azaa) – Wọọọọọ; (Ọkọ akụkọ) Otiii – (Ndị nsonye) Ọyọọ; (Ọkọ akụkọ) Nkịta nyara akpa – (Ndị nsonye) – Nsị agwụ n'ọhịa. Nke ọ bụla n'ime ha nwere ihe ọkọ akụkọ na-ekwu mgbe ọ malitere nakwa nke ndị nsonye na-azaghachi ya. Nke a gosiri na ndị nsonye mgbe a na-akọ akụkọ ifo ma ọ bụ eme agụmagụ ọdịnala Igbo ọ bụla anaghị abụ naanị ndị nkiri kama ha na-esonyekwa dị ka agụmagụ ọdịnala Igbo si dị kemgbe ụwa malitere.

Ịkọ akụkọ ifo bụ nke a mara na ọ malitere na gboo n'ọnụmara/obodo dị iche iche ebe ndị nne na nna nakwa ndị okenye ndị ọzọ n'ezinaụlọ ma ọ bụ obodo na-ewere ya dị ka ohere ha nwere iji kụziere ụmụ na-eto eto ihe. A na-emekarị nke a mgbe a lọtara n'ugbo ọ kachasị mgbe e richara nri anyasị. Nwaozuzu (2007, p. 322) kwenyere na akụkọ ifo bụ mpio e si a kụziri ndị na-etolite etolite ezi ụkpụrụ na nkwenye agbụrụ n'ihi na akụkọ ifo agbụrụ ọ bụla na-agbado ụkwụ na nkenye agbụrụ, atụmanya, ahụmihe na ihe enwe enwe ọ kachasị ndị obodo ji biri.

Na nkwado, Adeyemi (1997, p. 114) kwuru na a na-eji akụkọ ifo akụnye mkpụrụ ọma na ndụ ụmụaka. Mkpụrụ ọma ndị ahụ gụnyere ngosi umeala, ekele, nkwanye ugwu, idowe onwe onye nsọ, isonye n'ụkpụrụ na nkwenye obodo, mmekọrịta, ile ọbịa, ikwu ezi okwu, ịkwụwa aka ọtọ, mmasị ige ntị ma soro ezi ndụmọdụ, ịbụ ezi nwa ama ala, ịkata obi, igosi ịhụnaanya, ịkwado ọdịmma obodo, ịgbasị mbọ ike na ịtụ egwu Chineke. Martin na Nakayama (2013) n'akụkụ nke ha sịrị na akụkọ ifo bụ otu n'ime ngalaba agụmagụ ndị mmadụ kwesiri ịnabata ma mata nke ọma dị ka ụzọ e si akụzi ihe ma na-akwalite omenala. Ọ sịrị na mgbe ọ bụla a na-ezipụta ma ọ bụ eme emereme so akụkọ ifo, na omenala na nzikọrịta ozi bụ otu ihe na-agba elu na ya.

African Journal of Politics and Administrative Studies (AJPAS) Copy Right: © Author (s)
16(2) (December, 2023)847-859
Available online at https://www.ajpasebsu.org.ng/
https://dx.doi.org/10.4314/ajpas.v16i2.44 p-ISSN: 2787-0367;e-ISSN: 2787-0359

Nke a bụ ezi okwu maka na olu ọkọ akụkọ na-adị agbanwe ma ọ bụ apụta ihe n'ụdị ọ na-ezipụta ka ọnọdụ si dị nakwa ụdị ihe na-eme. Ọ bụrụ ihe egwu, olu ya ga-egosi na egwu dị; ọ bụrụ ihe ọṅụ, olu ya ga-egosikwa na ọṅụ dịkwa. Ọ bụghị naanị olu okwu ya; mmeghari ahụ ndị so ya bụchakwa ụzọ nkuzi nye ndị nsonye. Ọ bụ ohere diịrị ndị na-etolite etolite ịmata na mmeghari ahụ nakwa mgbanwe olu dị iche iche bụkwa ụzọ e si ezikọrịta ozi. Amali (2014) kọwara akụkọ ifo dị ka ihe bara oke uru nye omenala/ọdịnala obodo ọ bụla. Ọ sịrị na alaka agụmagụ ọdịnala a na-arụ ọrụ bara oke uru nye nkuzi na mmụta ndị metụtara ọdịnala, omenala, nkwenye na ekpemekpe nakwa ihe ndị ọzọ metụtara obodo, ụmụaka na gburugburu ebe a nọ azụlite ha. Ọzọ, bụ na agụmagụ ugbu a nke a na-ezipụta n'ụdị ederede bụ nke na-enweta ike ekereuche ya site n'agụmagụ ọnụ nke akụkọ ifo bụ otu n'ime ha.

Bhattacharya na Karmakar (2021) sịrị na akụkọ ifo bụ otu n'ime akụkọ ndị mmadụ ji atụrụ ndụ n'obodo dị iche iche. Ha gara n'ihu kwuo na akụkọ ifo malitere na gboo mgbe mmadụ malitere ma bụrụkwa nke na-emetụta ọtụtụ ihe banyere omenala obodo. Akụkọ ifo dị ka alaka agụmagụ ọdịnala bụ nke a na-esite n'otu ọgbọ nyefe n'ọgbọ ọzọ site n'ekwurunọnụ. Ka ọ dị taa, e nwekwara ọtụtụ akwụkwọ Igbo na asụsụ mba ụwa ndị ọzọ ebe e deturu akụkọ ifo edetu. Nke a mere akụkọ ifo ji bụrụ nke a na-enyefezikwa n'ụwa taa site n'ederede. Nkọwa ndị anyị nwetarala banyere isi okwu a, na-egosi na ọrụ akụkọ ifo na-arụ abụghị naanị nke ntụrụndụ kama, ọ bụkwazi ezi ụzọ agbụrụ ọ bụla si akụziri ụmụ ha ihe n'ihi na a na-esite na ya akọwara ndị na-etolite etolite ụfọdụ ihe banyere agbụrụ, gburugburu na ihe ndị ọzọ bara uru banyere obodo, omenala na ọdịnala dị iche iche ma sitekwa n'otu ụzọ ahụ mee ka e nwee nkuzi na mmụta ụzọ nzikọrịta ozi bụ ịgba maka ọdịnihu.

**Nkọkịrịkọ Na Nkọmịrịkọ**

Nkọkịrịkọ na nkọmịrịkọ bụ ụdị akụkọ ndị ọzọ e nwere n'agụmagụ ọnụ Igbo ndị yituru akụkọ ifo mana ha na akụkọ ifo abụghị otu. Ọ bụ ezie na ha niile bụcha akụkọ a rọrọ arọ mana ọtụtụ obodo nwere ụfọdụ nkwenye dị iche iche banyere nkọmịrịkọ na nkọkịrịkọ ha. *Igbo Adị* (2013) kọwara nkọkịrịkọ dị ka akụkọ mgbe ọkpụ tụmadị mgbe a kpara ike. Ọ gakwara n'ihu kọwaa akụkọ nkọkịrịkọ dị ka 'akụkọ ọdịnala banyere njem, ekere ma ọ bụ nsiripuru omenala, ike pụrụ iche ndị mmadụ kpara ma ọ bụ emereme pụrụ iche nke mgbe gboo n'obodo, agbụrụ, ma ọ

African Journal of Politics and Administrative Studies (AJPAS) Copy Right: © Author (s)
16(2) (December, 2023)847-859
Available online at https://www.ajpasebsu.org.ng/
https://dx.doi.org/10.4314/ajpas.v16i2.44 p-ISSN: 2787-0367;e-ISSN: 2787-0359

bụ mba'. Ụdị nkọwa ha nyere nkọkịrịkọ mere Barone (2011) ji sị na nkọkịrịkọ na nkọmịrịkọ yiri. Popp (2005) n'aka nke ọzọ kwenyere na nkọkịrịkọ na-agbadokarị ụkwụ na akụkọ banyere ihe mere na gboo nke ndị ọkọ akụkọ na ndị nkiri/nsonye na-ahụtakarị dị ka ezi okwu.

Ọ gara n'ihu kwuo na a na-ahụtakarị akụkọ nkọkịrịkọ dị ka ihe mere n'ọdịnso karịa nkọmịrịkọ n'agbanyeghi na ndị ọkọ akụkọ na-adị ezipụta akụkọ ndị ahụ n'ụdị ha na-apụta ihe karịa ka o si mee ma ọ bụ etu o kwesiri ịdị; ọzọ bụ na akụkọ ndị a na-emetụtakarị agha, oke nsogbu/mkpagbu ma ọ bụ ụnwụ (oke ụkọ nri). Babalola (2002) kọwara nkọmịrịkọ dị ka akụkọ bara uru banyere ihe mere n'oge gara aga nke e ji ezi ozi banyere nkwenye ndị na agbụrụ ha. A na-ahazi nkọmịrịkọ dị iche iche n'ụzọ ha na-abụ azịza nye ajụjụ dị iche iche banyere nsiritolite ndị, agụgụala ndị obodo na agbụrụ ha. Akụkọ nkọmịrịkọ bụ nke na-ejupụta n'akụkọ njem dị egwu nke na-emepe ụmụaka anya ma mee ka ha mata nsiritolite alaka omenala ụfọdụ n'obodo ha.

Putri na Wijaya (2019) sịrị na mwebata nkọkịrịkọ na nkuzi ụmụ akwụkwọ bụ ihe dị oke mkpa n'ihi na ọ ga-enye aka ime ka ha mata akụkọ banyere onwe ha na obodo a mụrụ ha ma ọ bụ nke aka ha. Ha gara n'ihu kwuo na a na-ahụkarị nkọkịrịkọ n'akwụkwọ akụkọ ụmụ akwụkwọ ma ọ bụ ụfọdụ akwụkwọ ọgụgụ ha ebe a na-echekwaba ha n'ihi na nkọkịrịkọ bụ njirimara ndị nke dị oke mkpa. Nke bụ eziokwu bụ na ihe niile ha kwuru banyere nkọkịrịkọ ebe a nwekwara ka o si emetụta nkọmịrịkọ. Ya mere akụkọ ọdịnala niile ji bụrụ ndị kwesiri ka e chekweba ha n'ụdị ederede, na/ma ọ bụ ndọrọ okwu ma ọ bụ onyonyo. Maka na mgbe e mere nke a, ha ga-abụ ụzọ mkpali mmụọ nye ụmụaka ịmata ụfọdụ ihe merela tupu a mụọ ha ma marakwa ihe nkuzi, ihe nrite na ntaram ahụhụ na-eso omume ụfọdụ. N'ihi na oriri niile a na-eri n'ala Igbo maka ndị oke mmadụ (nwoke/nwaanyị) maka ahụhụ ha tara ma ọ bụ ihe dị ike ndị ha mere maka ọdịmma agbụrụ/obodo ha, nwere nkọkịrịkọ socha ha. Ụdị nkọkịrịkọ ndị a ga-abụ ihe mgbado ụkwụ nye ịkuziri ndị na-etolite etolite uru ọ dị na mmadụ baara obodo ya uru ma ọ bụ gbaa mbọ maka ọdịmma agbụrụ ya ọ kachasị etu o si metụta iwube ezi aha na akụnaụba obodo nwekọrọ ọnụ.

**Nchịkọta Na Mmechi**

Nchọcha ndịzima a bụ nke kọwapụtara agụmagụ ọnụ dị ka ụzọ e si akụzi ma na-akwalite usoro obibi ndụ ndị Igbo. Agụmagụ ọnụ Igbo bụ nke obodo na-enwekodo ọnụ n'ihi na o nweghi

16(2) (December, 2023)847-859
Available online at https://www.ajpasebsu.org.ng/
https://dx.doi.org/10.4314/ajpas.v16i2.44 p-ISSN: 2787-0367;e-ISSN: 2787-0359

onye a ma dị ka onye nwe nke ọ bụla kpọmkwem. Mgbe ọ bụla a na-ezipụta ma ọ bụ eme emereme so agụmagụ ọnụ dị ka akụkọ ifo, nkọmịrịkọ na nkkịrịkọ, a na-enwe usoro omenala na nkụzi na-agba elu na ya. A na-enwekwa mmeghari ahụ nakwa mgbanwe olu dị iche iche ndị bụkwa ụzọ e si akụzi ihe e bu n'uche. Ọ bụ nke a mere agụmagụ ọdịnala ji arụ ọrụ bara oke uru nye nkụzi na mmụta ihe ndị metụtara ọdịnala, omenala, nkwenye, ekpemekpe nakwa ihe ndị ọzọ metụtara obodo, ụmụaka na gburugburu ebe a nọ azụlite ha. Ọzọ, agụmagụ ugbu a, nke a na-ezipụta n'ụdị ederede, bụ nke na-enweta ike ekereuche ya site n'agụmagụ ọnụ. Ya mere nchọcha a, ji kọwaa nke ọma usoro a na-agbaso n'iji agụmagụ ọnụ akụzi ụfọdụ ihe ndị dị mkpa na ndụ ndị Igbo. Ihe mere e ji akpọ ụdị agụmagụ a agụmagụ ọnụ ma ọ bụ nke ọdịnala bụ maka na a na-esite n'emereme ọdịnala dị iche iche họrọ ihe ndị a na-ewube ma ọ bụ echekwaba ma site n'ekwurunọnụ enyefe ya n'aka ọgbọ ọzọ.

Otu ụzọ e si kpọghachite ụkpụrụ na omenala ndị Igbo na-anwụzị anwụ bụ site na nkuzi agụmagụ ọnụ nke e nwere ike ime ka ọ pụta ihe n'amụmamụ nke ụdị site n'ịgbaso usoro dị mma webata ya na kurikulum ụmụ akwụkwọ maka na nke mpụnụdị ya na-anwụzị pịị n'ihi na ụmụaka taa anaghịzị enwe ohere ha ji esonye n'emereme ọdịnala nakwa agụmagụ ya ha so. Ya mere o ji dị mkpa ka ebipụta ha n'akwụkwọ akụkọ ụmụ akwụkwọ ma ọ bụ ụfọdụ akwụkwọ ọgụgụ ha ebe a na-echekwaba ha n'ihi na ọtụtụ ihe dị n'agụmagụ ọdịnala bụ njirimara ndị, ndị dị oke mkpa. Ha ga-abụ ụzọ mkpali mmụọ nye ụmụaka ịmata ụfọdụ ihe merela tupu a mụọ ha ma marakwa ihe nkuzi, ihe nrite na ntaram ahụhụ na-eso omume ụfọdụ n'ala Igbo.

## Edemsibịa


Adeyemi, L. (1997). Nigerian folktales and its contributions to early child care development and education. *Centrepoint,* 109-122, Ilorin: University of Ilorin

Amali, H. I. (2014). The function of folktales as a process of educating children in the 21st century: a case study of Idoma folktales. *International Conference on 21st Century Education at Dubai Knowledge Village*, 2 (1), 88 – 97

Babalola, V.O. (2002). The Contributions of Traditional folklores and folktales to early childhood development and education. In Maduewesi E.J. & Agusiobo C.B. (eds). Development and Education of African Children.*Proceedings of OMEP Africa regional Seminar*. Nigeria: Nelag and Co. Ltd.

African Journal of Politics and Administrative Studies (AJPAS) Copy Right: © Author (s)
16(2) (December, 2023)847-859
Available online at https://www.ajpasebsu.org.ng/
https://dx.doi.org/10.4314/ajpas.v16i2.44 p-ISSN: 2787-0367;e-ISSN: 2787-0359

Barone, D. M. (2011).*Children's literature in the classroom: Engaging lifelong readers*. New York: The Guilford Press

Fatunwa, B. (1974). *History of education in Nigeria*. London: George Allen and Unwin.

Ganyi, F. M. (2014). Orality, literacy and pedagogical implications in traditional African societies: The Bakor experience in Cross River state, Nigeria*. International Journal of African History Cultures and Traditions,* 1(2), 60-81.

Ikeokwu, E. S. (2021). *Mkpọlite nkụzi na ọmụmụ ejije Igbo.* Nsukka: University of Nigeria Press

Kimani, N. (2010). Rekindling efficacy: Storytelling for health.In Njogu, K. & Middleton, J. (Eds.), *Media and Identity in Africa*. Bloomington: Indiana University Press.

Martin, J. N. & Nakayama, T. K. (2013).*Intercultural communication in context.*New York: McGraw-Hill Publishers.

Mbah, B. M. & Mbah, E. E. (2014). *Atụtụ amụmamụ asụsụ*. Nsukka: University of Nigeria Press

Ltd.

Mbunda, F.M. (2006) Oral Literature in Contemporary Society. In Onuigbo S. (ed). *Essays and*

*Literary Concepts in English*. Nsukka: Afro-Orbis Publishing Co. Ltd.

Ngara, C. (2007) Summary of African ways of knowing and Pedagogy revisited. Journal of Contemporary Issues. 2(2)

Nnyigide, N. M. (2014). Ntulekọta nkọmịrịkọna Ojadịlịna Akụ Fechaa. Ngụpụta semina maka nzere Ph.D, Nnamdi Azikiwe University Awka.

Nnyigide, N. M. (2017). The emergence of early Igbo novel: The role of Igbo oral literature. *IGWEBUIKE: An African Journal of Arts and Humanities,* 3(4), 46 – 61.

Nwadike, I. U. (1992).*Ntoala agumagu.* Nigeria: Ifunanya Publishers.

Nwaozuzu, G. I. (2007). The traditional Ibo woman- A villain or a victor?A study of the image of women in Igbo folktales. In Idris Amali et al (eds.). *Rainbow Beyond the Clouds: Essays in Honour of Shamsudeen Amali* (pp. 308-321). Ibadan: Kraft Books.

Obi, N. M. (2009).The role of literature in national development.In Eyisi, J. C., Odimegwu, I. & Ezenwa-Ohaeto, N. (Eds.), *African Literature and Development in the Twenty-First Century*. Imo: Living Flames.

Obiechina, E. N. (1967). Transition from oral to literary tradition.*Presence Africaine*, 63, 140-161.

Obiweluozo, E. P. (2011). Perception of primary school teachers on the use of oral literature.*International Journal of Research in Arts and Social Sciences*, 3, 202 – 211.

Okoh, N. (2008). *Preface to oral literature.* Onitsha: African.

African Journal of Politics and Administrative Studies (AJPAS) Copy Right: © Author (s)
16(2) (December, 2023)847-859
Available online at https://www.ajpasebsu.org.ng/
https://dx.doi.org/10.4314/ajpas.v16i2.44 p-ISSN: 2787-0367;e-ISSN: 2787-0359

Onyekaonwu, G. O. (1986). "The Development of Modern Igbo Prose Fiction, 1933-1983: An Historical and Stylistic Survey", Ph.D. Thesis of the University of Ibadan, Nigeria.

Owuor, J. (2007). Integrating African Indigenous Knowledge in Kenya's formal Education System: The Potential for sustainable Development.Journal of Contemporary Issues. 2(2),

Popp, M. S. (2005). *Teaching language and literature in elementary classroom: A resource book for professional development* (2nd Edition). Mahwah: LEA

Putri, B. M. & Wijaya, M. S. (2019). Retelling local legends: Implementing circ in teaching writing narrative text. *ELT-Echo*, 4(1), 36 – 48

Sone, E. N. (2018). African oral literature and the humanities: Challenges and prospects. *Humanities,* 7(30), 1 – 20.

Thwala, J. J. (2019). A glance at selected folktale theories.*International Journal of Arts Humanities and Social Sciences* 4 (13), 1 – 5.